# Mmewere Aha Mgbọrọgwụ Na Mkpa Akwụkwọ Dị N'ala Igbo

Diọka, B. O. & Mbah, B. M. O

*Centre for Igbo Studies, University of Nigeria, Nsukka*

**Ụmị**

Nchọcha a lebara anya na ihe dị iche iche mebere aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị n'ala Igbo. Nchọcha a ji nka adịm mee nchọcha ya. E sitere n'ajụjụ ọnụ nweta njatụle e jiri mee nchọcha ma jiri atụtụ mmebe mkpụrụ okwu nke Mohanan na Kiparsky nyochaa ya. Nchọcha a chọpụtara aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị otu narị n'ala Igbo. Nchọcha a gosiri na mmewere aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a nwere mkpụrụ echiche dị iche iche. Ụfọdụ n'ime ha nwere naanị otu mkpụrụ echiche Igbo dị ka *apụ, okwe, ụda* na *ụgụ*. Ọtụtụ nwere mkpụrụ echiche abụọ ma ọ bụ karịa na nkebi ahịrị na ahịrị okwu dị ka *Abalị dị egwu, Ọ daa o puo, Nchụ anwụ, Ụbụrụ inu, Akị ilu, Aka mgbada, Ụdọ akpụ enyi* na *Akọm shọrọpụ*. A chọpụtara na mpụtara okwu ndị na mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a hibere isi n'ọrụ ha na-arụ, etu ha dị n'anya, ka ha si eme omume, ma ọ bụ etu ha si atọ. Nchọcha a tụnyere aro ihe a ga-eme ka ọgwụgwọ ọrịa dị mfe, ka gọvment etiti na ndị na-ahụ maka ahụ ike na steet ọ bụla n'ala anyị bụ Naịjirịa gbaa mbọ hụ na ha nabatara usoro iji ọgwụ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ agwọ ọrịa dị iche iche ndị na-echu ndị mmadụ ụra.

**Okwu ndị pụtara ihe**: mmewere, aha, mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ

**Mkpọlite**

Ihe niile Chineke kere n'ụwa nwere ndụ, tụmadị mmadụ, na-enwe nsogbu ahụ ike. Nke a pụtara na ihe nwere ndụ nwere ike ịrịa ọrịa ma ọ bụ nwụọ anwụ. Ọrịa juru ebe niile n'ụwa taa, nke a nwere ike isi na nsogbu ụwa, gburu gburu adịghị ọcha, agadi, agụụ, ihe isi ike, na ndị ọzọ were bịa. Etu e siri nwee ọtụtụ ọrịa bụkwa ka e siri nwee usoro dị iche iche e si agwọ ọrịa ndị a. Otu n'ime usoro agwọmọrịa bụ iji mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ gwọọ ọrịa ndị a juru n'ụwa taa. Ala Igbo jupụtara n'ala kpọrọ nkụ ebe a na-enwe ụgụrụ na ọkọchị afọ niile. Ya bụ, ala nke okpomọkụ na-enye aka akwalite uto ahịhịa ndụ na osisi. Iji kọwaa nke a nke ọma, ọ ga-adị mma ka anyị mata na ala Igbo bụ ebe e nwere ọtụtụ ihe oriri na ahịhịa e ji agwọ ọrịa a na-akpọ ahịhịa ọgwụ ma ọ bụ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ, nke bụ ihe mebere ọgwụ ọdịnala ndị e nwere n'ala Igbo. E nwere ọtụtụ oke ọhịa n'ala Igbo ma nwekwaa ala ubi ebe a na-akọpụta ihe oriri, áfọ̀ niile. Oke ọhịa na ala ubi ndị a jupụtara n'ala Igbo mere ala Igbo ji bụrụ ala dị mma ebe ọtụtụ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ na-eto ma na-adị ndụ. E nwekwara ọtụtụ obere osisi ndị na-eto n'ala Igbo ndị na-akwalite ala ịdị mma, na-eme ka ihe a kụrụ n'ubi mịa nke ọma, ma na-ewetakwa ihe oriri na ọgwụ ebe ọ dị ukwuu. (Njoku, 1982; Uduji, Edichá, Oyaka, 2012; Mahomoodally, 2013).

N'agbanyeghi nke a, e kwesiri ikele Chukwu maka mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị O kere na nnukwu ha bara n'ọgwụgwọ ọrịa dị iche iche. Uru mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a bara bụ iji ha na-agwọ mmadụ na anụmanụ ọrịa nakwa idozi ọnọdụ ahụ ike. Ebe nsogbu dị bụ n'iji ndị ọkachamara site mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a wepụta ezigbo ọgwụ ọdịnala e ji agwọ ọrịa ma na-edozi ọnọdụ ahụ ike mmadụ. Ihe na-ebute nsogbu ndị a bụ amaghị mmewere mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a nke bụ isi sekpụ ntị na nchọcha a. Dị ka ihe mgbakwasị ụkwụ, ọ bụ asụsụ na-ewepụta ebe a ga-anọ kepụta okwu ndị na ndị a, nke ebumnobi ha bụ ime ka amamihe na-eto site n'ikepụta okwu ọhụrụ ndị sitere n'asụsụ ndị nwere echiche yiri onwe ha

ma sitekwa n'otu ezinaụlọ. N'ihi nke a, asụsụ Igbo nwere ọtụtụ okwu, mkpụrụ okwu na aha ndị metụtara mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ.

Nke a ga-akpọlite ihe bụ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ. Ọtụtụ ndị odee dị ka Mahomoodally, Ezekwesịlị-Ofili na Ọkaka kpọrọ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ọgwụ ọdịnala ndị Afrịka. Mahomoodally (2013) kọwara mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dịka ụzọ agwọmagwọ kacha ochie ma bụrụkwa ụzọ kachasị mma n'usoro ahụ ike na ụzọ e si azọ ndụ. N'ilekwasị anya na nkọwa niile ndị a, a ga-achịkọta mkpọlite a site n'ime ka a mara n'ihe ndị a: ọtụtụ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị dị n'ala Igbo bụcha ihe e ji agwọ ọrịa. Ya bụ ahịhịa niile dị n'ala Igbo nwere uru ha bara n'ọrụ ahụ ike. Iji mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a agwọ ọrịa nke ọma ma na-arụ ọrụ ahụ ike nke ọma etu o kwesiri ga-esite n'amamihe na mmụta nke onye ma ọ bụ  ndị dibịa. Etu ndị gụrụ akwụkwọ si enyere ọnọdụ dị etu a aka bụ dị ka ihe ọchọcha chọrọ ime bụ ịchọpụta mmewere mgbọrogwụ na mkpa akwụkwọ ndị dị n'ala Igbo.

Nke a dabara n'ihe Ekeọpara na Ugọha (2017) na Ọkeagụ na Agụ (2020) kwuru na mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ Igbo niile nwere ọgwụgwọ n'ime ya. Mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ Igbo nwere ọtụtụ agwara ndị sayensị chọpụtara ndị ọgwụ Bekee ji emepụta ọgwụ nke ha. Mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị n'ala Igbo bara nnukwu uru ma n'ọgwụ ọdịnala ma na nke Bekee. Na ndị niile delaara gbasara mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ, etu anyị si madebe, ọ dịbeghi onye tụlere mkpụrụ echiche dị iche iche e nwere ike inweta na ha n'Igbo. Nsogbu bụzi nchọcha a ịchọpụta ihe mebere aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a. N'iji mejupụta mbunuche nchọcha a, ọchọcha gbalịrị ịchọpụta aha ụfọdụ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị iche iche n'ala Igbo na ụdịdị mkpụrụ echiche mejupụtara ha.

**Ntụleghari agụmagụ**

**Nkọwa ọkpụrụkpụ okwu**

Na ngalaba a, a kọwara ọkpụrụkpụ ndị a: mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ, na mmewere.

**Mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ**

N'isi okwu a, ọchọcha sooro usoro nkọwa amụmamụ echiche nyere banyere okwu a bụ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ. Ọchọcha gbara mbọ inye ezigbo nkọwa amụmamụ echiche na-enye banyere isi okwu dị ka mkpụrụ okwu a na-eji ezipụta ma na-akparịta ụbụbọ banyere mpụtara n'asụsụ  mmadụ. Ọtụtụ ndị ọka mmụta enyela nkọwa dị iche iche banyere mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ. Aha ọzọ e jiri mara ya bụ ahịhịa ọgwụ. Ụfọdụ nkọwa e nyerela bụ ndị a:

Mahomoodally (2013) kọwara mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ma ọ bụ ahịhịa ọgwụ dị ka akụmakụ ndị na-agwọ ọrịa, ndị a na-anabata n'usoro ahụ ike ọdịnala Afrịka maka ọgwụgwọ ọrịa. O kwusiri ike na iji akụmakụ ndị a e ji agwọ ọrịa were na-agwọ ndị mmadụ ọrịa bụ usoro kachasị ọkpụ ma ọ bụ ochie ma bụrụkwa usoro ọgwụgwọ kacha bụrụ nke a gwara ọgwa. Ọ bụ ọgwụ ọdịnala ndị a ka e ji agwọ ọrịa dị iche iche na ndụ mmadụ. N'ihi ya, odee kwuru na ọtụtụ akụmọgwụ ahịhịa, mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ na mba Afrịka ka e nwere ike iji mepụta ọtụtụ ngwa ahịa ma ọ bụ si na ha mebe mmiri ọgwụ dị iche iche n'ọdịnihụ iji kwalite ọnọdụ ahụ ike na ọgwụgwọ ọrịa  n'etiti ndị mmadụ n'ụwa niile gbaa gburu gburu (Falodun & Imieje, 2013).

Ezekwesịlị-Ofili na Ọkaka (2019) kọwara mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị ka akụkụ ahịhịa nakwa mgbọrọgwụ dị iche iche ndị metụtara mba Afrịka. Ha kọwara ya dị ka ihe ọkpụ nke ọtụtụ mmadụ ji agwọ ọrịa ma na-echekwa ahụ ike. Ọnụ ụlọ, ogbe nakwa obodo dị iche iche ji mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a agwọ ọrịa. Ha kọwara na ụfọdụ mgbọrọgwụ na mkpa

akwụkwọ ndị a na-adị n'ụdị akwụkwọ nri dị iche iche dị ka onugbu, nchụ anwụ, inine na ndị ọzọ. Ụfọdụ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ bụ ndị e ji agwọ ọtụtụ ọrịa dị iche iche. Ha gara n'ihu kọwaa ụfọdụ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị iche iche ndị e ji agwọ ọrịa ma na-echekwa ahụ ike. Ha gụnyere:

**Mgbọrọgwụ:** Nke a bụ mpaghara ma ọ bụ akụrụ ụfọdụ osisi ma ọ bụ irurue na-adị n'ime ala ndị na-ejide osisi ma na-enye ya nri na mmiri. Mgbọrọgwụ ndị a na-enye aka akwalite ọnọdụ ahụ ike ndị mmadụ n'ala anyị.

**Mkpa akwụkwọ:** Nke a bụ ahịhịa, irurue ma ọ bụ akwụkwọ dị iche iche a na-enweta n'osisi e ji agwọ ọrịa dị iche iche n'ala anyị.

N'ikpeazụ, Okeagụ na Agụ (2020) lenyere anya n'okwu a bụ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị ka mpaghara akụmakụ, obere osisi na ahịhịa ndị nọ gburu gburu anyị, ndị ihe ndị nọ ha n'ime na ihe ndị mebere ha nwere ọtụtụ ọrụ ọgwụgwọ na ndụ ihe niile e kere eke. O kwenyesiri ike n'uche ya sị na akụkụ ahụ osisi, ahịhịa na akụmakụ ndị a nwere uru ndị ọzọ ha na-abara ndị mmadụ na-abụghị naanị ọgwụ e ji agwọ ọrịa. Ha na-enye aka ịkwalite ọnọdụ ndị mmadụ n'obodo site n'iwepụta ọrụ na inye ndị mmadụ ọrụ, ọkachasị ndị ọrụ osisi na ọrụ ahụ ike. E kwenyere na a na-esi n'osisi ewepụta ọtụtụ ọgwụ na-abara ndị mmadụ uru n'ọnọdụ ahụ ike. Ha na-enyekwa anyị nri na-egbochi agụụ, ọkachasị ndị jupụtara na ndozi ahụ nke na-akwalite ezigbo ahụ ike. Ọ bụ ihe ndị a na-egosi na ọgwụ na ihe ọgwụgwọ bụ otu ụzọ n'uru dị iche iche mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ma ọ bụ ahịhịa ọgwụ; osisi na akụmakụ baara ndị Igbo na obodo Afrịka ndị ọzọ.

Mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ n'uche ọchọcha bụ ọgwụ ndị ahụ a na-esi n'akụkụ ahụ osisi dị iche iche dị ka mgbọrọgwụ osisi, ahụ osisi, akwụkwọ ya na ndị ọzọ emepụta. Ya bụ osisi na ahịhịa niile dị n'ọhịa nke nwere agwara e ji agwọ ọrịa n'ime ya. Mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ n'ọrụ nchọcha a gụnyere: achara, ahịhịa, mgbọrọgwụ, mkpa akwụkwọ, ahụ osisi, ifuru osisi, mkpụrụ osisi na akụkụ ahụ osisi niile ndị Igbo ji emepụta ọgwụ na ihe e ji agwọ ọrịa n'ụzọ dị iche iche.

**Mmewere**

Ọkọwa okwu *Merriam-Webster's New Explorer Dictionary na Thesaurus* (1999) kọwara mmewere dị ka ngwa e ji mebe ihe. Mmewere bụ mpaghara otu ihe zuru oke. Mmewere nwere nghọta dị iche iche n'ebe dị iche iche. A bịa na ndọrọ ndọrọ ọchịchị, mmewere nwere ike ịbụ otu onye a họpụtara n'otu òtù nke nwere ike ịnọchi anya òtù ahụ n'ime ihe niile dị ka ịhọta mmadụ ma ọ bụ ime ntụli aka ịhọta ndị mebere òtù ahụ.

A bịa na nri, mmewere nwekwara ike ịbụ ihe ndị dị oke mkpa mebere nri ndị na-edozi ahụ nke ndị mmadụ na-eri. Mmewere nri gụnyere: nri na-enye ike, nri na-enye ọbara, nri na-enye abụba na ndị ọzọ. Mmewere ihe oriri nwekwara ike ịbụ ngwa ndị e jiri sie nri ahụ. Iji maa atụ, mmewere ofe onugbu gụnyere: ede, azụ, akwụkwọ onugbu, ogiri, nnu, ose na ihe ndị ọzọ e jiri sie ofe ahụ.

N'usoro asụsụ, e kewara mkpụrụ okwu n'ụdị aha ma gaa n'ihu ịchọpụta okwu ndị ọzọ yiri ya nwere otu mpụtara na otu echiche na ya, nke gụnyere ndị a: njimebe, mkpatara na mmewere. Ọ bụ site na nghọta dị etu a ka Aiyeloja na Bello (2006) ji kwenye na okwu a bụ mmewere nwere myiri, ikike na ike mmepụta. N'uche ha, mmewere na-arụtụ aka n'ọtụtụ mmiri ọgwụ na mkpụrụ ọgwụ nke na-esi n'ihe ọkụkụ, nke e nwere ike isi n'ime mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ wepụta. Nke a nwere ike ịbụ mmewere mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ. N'ihi ya, ha kwenyere

na ọtụtụ ụzọ dị iche iche e si eji osisi ndị a na akụkụ ahụha arụ ọrụ imepụta ọgwụ ka ha na-ewepụta.

Okeagụ na Agụ (2020) kwenyere na Chukwu, n'ụbọchị okike, kepụtara ọtụtụ mmiri ọgwụ, mkpụrụ ọgwụ na mmebere nri dị iche iche n'ime obere osisi na irurue ma ọ bụ ahịhịa dị iche iche o kere. Nkwenye ha bụ na osisi ọ bụla nwere ọtụtụ ọgwụ na mmiri ọgwụ mebere ya, ndị na-arụ ọrụ dị iche iche bara uru na ndụ mmadụ na gburu gburu ebe obibi mmadụ. Arụmụka ha kwenyesiri ike n'ihe a na-ekwu na isi okwu a yiri mpụtara mmebere, njiemebe na mkpatara nke mere ka odee kwenye na obere osisi ndị a nwere nnukwu ụzọ bara uru e si enweta ihe e ji eme ọgwụ n'ime ha. Ọtụtụ ndị sayensi ọlọrọ ọhụrụ emeela nchọcha ma chọpụta na ọtụtụ osisi bara nnukwu uru n'ụzọ ndị nọ n'ime obodo si enweta ihe ha ji agwọ ọrịa. Ọ bụ nke a kpatara na ọ bụ n'ime osisi, obere osisi, ahịhịa na irurue ndị nọ na Afrịka ka ọgwụ ọdịnala, mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ nke ndị ọgwụ ọdịnala ji agwọ ọrịa jupụtara.

N'agbanyeghị nke a, e nwekwara ezi okwu na mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ nwere mmewere dị iche iche ndị gụnyere ụmụ ngwa dị iche iche ndị ọgwụ ọdịnala na-esi na ya emepụta ọgwụ dị iche iche e ji agwọ ọrịa. E nwere ike ịsị na o nweghi osisi ma ọ bụ ahịhịa dị n'Afrịka na-enweghi ka o si bụrụ ọgwụ. A na-esi na mmewere osisi na ahịhịa ndị a nweta mmiri ọgwụ ndị e ji arụpụta ọgwụ dị iche iche e ji agwọ ọrịa dị iche iche. Ọ bụ mmewere ahịhịa na osisi ndị a ka ndị dibịa ọdịnala na-esi enweta ngwa ha ji eme ọgwụ. Ọ bụghị naanị ndị dibịa ọdịnala. Ndị na-emebe ọgwụ Bekee na-esikwa na mmewere ngwa ndị si n'osisi na ahịhịa ndị a emepụta ngwa ha ji arụ ọgwụ Bekee e ji agwọ ọtụtụ ọrịa. Ọ bụ n'osisi, ahịhịa na irurue ndị a na-enye anyị ọgwụ a na-ahụ na mpaghara dị iche iche n'ala Igbo na Naịjirịa. Ụfọdụ osisi ka a na-enweta akụkụ ahụ, mgbọrọgwụ, akwụkwọ, ifuru, mkpụrụ ha wee mepụta ọgwụ dị iche iche.

Mmewere n'isi okwu ọrụ nchọcha a bụ ihe ndị ahụ mebere okwu ndị na aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị e nwere n'ala Igbo. Ya bụ mmewere aha ndị ahụ metụtara okwu ndị na mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ. Ihe ndị e ji mebe aha ndị ahụ nke metụtara mpụtara, ọrụ na uru ha bara na ndụ ndị mmadụ.

## Ntụleghari atụtụ

N'ihe ọmụmụ a, a ga-atụle atụtụ dị iche iche metụtara isi okwu ya. Ọtụtụ n'ime atụtụ ndị a ga-agbado ụkwụ n'ụfọdụ atụtụ ndị Mbah na Mbah (2014), wepụtara n'akwụkwọ ha, a kpọrọ *Atụtụ Amụmamụ Asụsụ* nakwa atụtụ ndị ọzọ.

### Atụtụ echiche mpụtara

Onye mepụtara atụtụ a bụ onye Briten aha ya bụ John Locke na narị afọ iri na asaa. Dị ka etu atụtụ a siri kọwaa, mpụtara e nyere mkpụrụ okwu nwere ike ịdị iche na mkpụrụ okwu ahụ. Nke pụtara na mpụtara okwu na-esite n'echiche si n'uche okwu ahụ na-anọchi anya ya. A na-emebe mkpụrụ okwu site n'ahụmihe nke uche; ọ bụghị amamiihe nke mmadụ buru pụta ụwa. Mkpụrụ okwu ka a na-egosi dị ka akara nwere uche maka ezi mkparịta ụka. N'ihi ya, asụsụ bụ ngwa e ji ezipụta echiche. Echiche n'onwe ya bụ ihe so uche mmadụ n'azụ. Atụtụ echiche mpụtara bụ nke e bu n'uche. Mpụtara mkpụrụ okwu bụ ihe e bu n'uche banyere mkpụrụ okwu ahụ. Ọ bụ echiche mmadụ maka mkpụrụ okwu ahụ. Ọ bụkwa ekwumekwu a chịkọbara n'uche onye na-ekwu okwu ma ọ bụ onye na-anụ okwu ahụ maka mkpụrụ okwu ahụ n'onwe ya.

Atụtụ a anaghị agba mbọ n'onwe ya ịkọwa mkpụrụ okwu ọ bụla site n'ihe a hụrụ anya. Kama ụdị mpụtara ọ na-enye mkpụrụ okwu bụ etu echiche na uche o nwere banyere okwu ahụ ya na mmetụta obi o nwere ozugbo ọ nụrụ ya na ntị siri dị. Iji echiche achọpụta mpụtara mkpụrụ okwu mere ka atụtụ a rie mperi. Echiche nwere ike ibu ibu ịghọtacha ma ọ bụ baa ụbara ma gbagwojuo

anya ịghọtacha mpụtara okwu. Ọzọ kwa, e nwere ọtụtụ mkpụrụ okwu na-enweghi ihe ha pụtara n'echiche mmadụ ma ọ bụ mkpụrụ okwu ndị yiri onwe ha n'echiche na mpụtara. Atụtụ a agaghị akọwanwu ụdị mkpụrụ okwu ndị dị etu a.

Mkpụrụ okwu na-arụ ọrụ dị ka etu e si kenye ya mpụtara. Aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a na-ahụ n'ala Igbo nwere mmetụta n'ọrụ ha na-arụ, ọdịdị na ụdịdi ha. Ya bụ na mpụtara aha ụfọdụ n'ime ha hibere isi n'ihe ndị a. A bịa n'isi okwu nchọcha a, bụ ntụcha mmewere okwu ndị na mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị n'ala Igbo, iji ụdị atụtụ a ga-adaba n'ihi na ụfọdụ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ nwetara aha ha site n'ụdị ọrụ ha na-arụ nakwa etu ha dị n'anya, ya bụ mpụtara onye ahụ bu n'uche banyere ha.

**Atụtụ mmebe mkpụrụ okwu**

Atụtụ mkpụrụ okwu bụ atụtụ ndị wubere ya bụ Mohanan na Kiparsky n'afọ 1982. Ndị ọka mmụta ndị a na-akọwa na ọdịdi mkpụrụ okwu nwere etu dị iche iche e si ewube ma ọ bụ emebe ya. Nke a na-abụ site n'ọdịdị mkpụrụ ụda dị iche iche. A bịa n'asụsụ Igbo, ọ bụrụ ma e were atụtụ a rụọ ọrụ, a na-ewepụta ọkpụrụkpụ okwu dị iche iche. Iji maa atụ:

(a) Ọ bụrụ na a gbakwụnye nganihu n'isi ngwaa kwụburu onwe ya, a na-enweta mkpọ aha.

(b) Mgbe a gbakwụnyere nsonazụ n'isi ngwaa kwụrụ onwe ya, a na-enweta ogwe ngwaa ma ọ bụ ngwaa kwụrụ onwe ya.

Ya bụ, atụtụ a ga-adaba nke ọma n'iji tụchaa ọrụ nchọcha a bụ idepụta mmewere mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ na ịtụcha okwu ndị na ha. Nke a bụ n'ihi na ọ na-akọwa etu ụda dị iche iche si enye aka n'iwube okwu dị iche iche. Ebe ọ bụ ụda na mkpụrụ ụda asụsụ bụ ihe ndị mebere mkpụrụ okwu, atụtụ a ga-adaba nke ọma iji tụchaa data.

**Ntụlegharị nchọcha ndị ọzọmerela n'isi okwu**

Ọ bụ ezi okwu na e deela ụfọdụ ihe ndị metụtara isi okwu a kpụ n'ọnụ, ma ihe ndị a adịghị ọtụtụ n'asụsụ Igbo. Ihe ndị e derela ka pụta ihe na mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị ka ụzọ gbara elu e ji agwọ ọrịa n'ala Naịjirịa. Ka o sila dị, ndị mere nchọcha banyere mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ nwara oko ha ma gbakwaa mbọ etu ike ha ha.

Aiyeloja na Bello (2006) mere nchọcha nke ha n'uru ọmụmụ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị pụtara ihe na Naịjirịa bara, ọkachasị na Steeti Enugwu. Ndị nchọcha a chọpụtara mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị iche iche e nwere n'ime obodo na Steeti Enugwu na ọrịa dị iche iche a na-eji ha agwọ. Ha chọpụtara mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị iri itolu na isii na aha ha n'asụsụ atọ bụ Awụsa, Igbo na Yoruba. Ha chọpụtakwara otu ha so, ọrịa ndị e ji ha agwọ na mpaghara ndị e ji agwọ ọrịa. Ha kwetara n'ezie na ọtụtụ akụmakụ jupụtara ebe niile na mba Afrịka ndị nwere ike imejupụta ihe ndị e ji agwọ ọrịa. Ọ bụ mkpebi ndị odee ndị a na iji ahịhịa akụmakụ eme ọgwụ bụ ihe ndị nna nna anyị ha na-eme. Ha malitere ịgbaso usoro e wete e tinye e wepụ tutuu weta ụzọ kacha mma. Nchọcha ha yiri nchọcha a na-eme ugbu a, mana ebe ha dị iche bụ na nchọcha nke ugbu a hibere isi n'ịtụcha mmewere mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a, na etu o si metụta aha na ọrụ ha n'ala Igbo niile.

Mahomoodally (2013) na nchọcha ọ kpọrọ Traditional medicines in Africa: An apprasial of ten potent African medicinal plants, chọpụtara ọgwụ Afrịka iri gbara elu n'ịgwọ ọrịa n'ọgwụ ọdịnala Afrịka. Nchọcha ya kwenyekwara na ọgwụ ọdịnala Afrịka ka bụkwa ụzọ kacha gbaa elu e si enweta ọgwụgwọ ọrịa na Naịjirịa; ma nchọcha ya hibere isi n'ịchọpụta naanị mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ iri gbara elu n'Afrịka na ụdị ọrịa a na-eji ha agwọ.

Ekeọpara & Ugọha (2017) na nchọcha ha bụ "Ntikọta uru ọgwụ ọdịnala Afrịka baara usoro ọnọdụ ahụ ike na Naịjirịa", hụtara na ọgwụ ọdịnala Afrịka ka bụrụ usoro kachanụ n'usoro ọnọdụ ahụ ike na Naịjirịa. Mbụnụche ha bụ ịchọpụta usoro dị iche iche ọgwụ ọdịnala Afịrịka si enyere ọnọdụ ahụ ike Naịjirịa aka. Nchọcha ha chọpụtara uru dị iche iche ọgwụ ọdịnala Afrịka na-aba n'ọnọdụ ahụ ike ma ọ bụ n'ọnọdụ agwọmọrịa na Naịjirịa. Uru ndị a gụnyere: ịbụ ụzọ kachasị mma e si enweta ọgwụgwọ na Naịjirịa, ịbụ ụzọ e si enweta ngwa e ji emepụta ọgwụ oyibo na Naịjirịa, ọzọ bụ na ndị na-eji ọgwụ ọdịnala Afrịka karịrị n'ọnụ ọgụ ma bụrụ ndị na-agbasa n'ime ime obodo karịa ndị na-eji ọgwụ oyibo agwọ ọrịa. N'ikpeazụ, ọ na-ebelata ọnwụ ụmụ aka. Nchọcha Ekeọpara na Ugọha (2017) hibere isi n'uru ọgwụ ọdịnala Afrịka baara ọnọdụ agwọmorịa na Naịjirịa ma nchọcha nke a na-eme ugbu a hibere isi na mmewere mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ n'ala Igbo.

Ezekwesịlị-Ofili & Ọkaka (2018) mere nchọcha nke ha na mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ n'ọgwụ ọdịnala Afrịka. Nchọcha nke ha hibere isi n'imepụta na iji mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ agwọ ọrịa dị ka ọgwụ ọdịnala n'Afrịka. Ha na-akọwa na ọgwụ ọdịnala Afrịka enweghi ihe ọzọ ọ bụ karịa mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ n'ihi na ọ bụ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ bụ isi sekpụ ntị n'ọgwụ ọdịnala Afrịka. Ha kọwara mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ, mmewere ya na uru ọ bara n'ọnọdụ agwọmọrịa na Naịjirịa. Ha kwenyekwara na ọ bụ ụzọ kachanụ e si enweta ọgwụgwọ ọrịa na Naịjirịa. Nchọcha ha yiri nke a na-eme ugbu a ma ndị iche dị na ya bụ na nchọcha nke oge a lebara anya kpọm kwem na mmewere mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ n'ala Igbo. Nchọcha a bara uru na nchọcha a na-eme ugbu a n'ihi na ha wepụtara mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị e ji agwọ ọrịa dị iche iche. Ma nchọcha nke ugbu a lekwasịrị anya n'ịtụcha mmewere okwu ndị na aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị n'ala Igbo si emetụta ọrụ ha.

Sam (2019) na nchọcha nke ya ọ kpọrọ "Importance and effectiveness of herbal medcines" na asụsụ Bekee, kọwara mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị ka ihe chi kere, nke abụghị aka mebere. Nke a pụtara na mgbọrọgwụ osisi, mkpa akwụkwọ nakwa ahịhịa dị iche iche e ji agwọ ọrịa n'ogbe, n'obodo, n'ala Igbo nakwa n'ụwa dum bụ ihe si n'aka Chukwu. Ọ kọwara na mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ bụ ihe ọkpụ nke hibere isi n'omenala n'ụwa dum. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na e nwere ọtụtụ usoro ọdịnala e ji agwọ ọrịa site na mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ, bụ ndị nsiripu ha bụ ihe doro anya, nke si n'aka nna nna anyị ha fere aka, wee ruo anyị aka. Usoro a bụ iwepụta ihe ndị mebere mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị iche iche ma jikọọ ha mepụta ọgwụ ga-agwọ mmadụ ọrịa. Nchọcha Sam yiri nchọcha nke a na-eme ugbu a n'ihi na ha abụọ na-ekwu maka mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ma n'ebe nke Sam hibere isi n'ịkọwa mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị ka ihe Chukwu kere ma na nchọcha nke ugbu a na-atụcha mmewere okwu ndị na, mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị n'ala Igbo.

Okeagụ na Agụ (2020) mere nchọcha nke ha n'ihe ndị e ji osisi na ahịhịa ndị e nwere n'ala Nsụka na Steeti Enugwu eme. Nchọcha nke ha hibere isi n'ịchọpụta ihe ndị e ji osisi na ahịhịa ma ọ bụ achara na inine ndị a e nwere n'ala Nsụka eme. Ha chọpụtara ọtụtụ ihe ndị dị iche iche a na-eji osisi na ahịhịa ndị a eme n'omenala ha nke gụnyere: okpukpere chi na ido nsọ, ihe oriri, ịchọ mma, inweta ikuku, ichekwa ala, ịrụ ụlọ, ịgwọ ọgwụ na ihe ndị ọzọ. Nchọcha nke ha hibere isi n'osisi na ahịhịa niile dị na Nsụka na ihe dị iche iche a na-eji ha eme. Ọ bụghị naanị ndị e ji agwọ ọrịa na ọrịa ndị e ji ha agwọ ka ha tụlere. Ma nchọcha nke a na-eme ugbu a hibere isi n'ịtụcha mmewere mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị dị n'ala Igbo niile.

**Usoro nchọcha**

Usoro nchọcha ọchọcha gbasoro mee nchọcha ya bụ nke kwọlitetiivu adịm nkọwa. Nke a bụ n'ihi na a ga-ewere ma tinye n'ọrụ aha dị iche iche e nwere ndị dabara n'ihe ọmụmụ a. Nke a dị oke mkpa n'ihi na ọ ga-eme ka ọchọcha were aha ndị a, tinyere amamihe nke ya, wepụta ihe ndị ọ chọrọ iwepụta na nchọcha ya ma mee ka asụsụ Igbo na-abawanye. Usoro nchọcha adịm dị ka Check na Schutt (2012:160) siri kọwaa na-arụtụ aka na nchọcha ga-ewekọta ozi sitere n'aka ndị mmadụ a gbara ajụjụ ọnụ na ọsịsa ha nyere na ajụjụ a jụrụ ha. Nworgu (2015) kọwara nchọcha adịm dị ka ngwa e ji arụ ọrụ ma ọ bụ ngwa amụmamụ e nwetara site n'iji usoro nnweta na nnyocha data sitere n'aka mmadụ ole na ole a họpụtara ga-anọchite anya igwe mmadụ, ma ọ bụ ngwa ndị ahụ e ji eme nchọcha. Ọchọcha gbasoro usoro a n'ihi na ọ bụghị mmadụ niile nọ n'ala Igbo ka o jiri eme nchọcha ya. Ọhọrọ mmadụ ole na ole iji nọchie anya ndị ọzọ ma gbaa ha ajụjụ ọnụ etu o si daba n'isi okwu nchọcha.

Ọzọkwa, ọchọcha gbasoro usoro nchọcha a mee nchọcha ya nke dabara n'ihe ọ na-eme bụ ịtụcha mmewere aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọdị n'ala Igbo. Usoro adịm-mma na-eme ka a ghọta nke ọma ndịnisi okwu a na-ekwu maka ya. Ọ na-ewepụta mpụtara, ụda na ekwumekwu mkpụrụ okwu n'ụzọ dị iche iche, nke na usoro mgbakọ agaghị ewepụtacha. Site n'ụdị usoro nchọcha a, ọchọcha gbara mbọ inwetacha mbunuche nchọcha ya niile dị ka o si metụta isi okwu nchọcha.

**Ndị njiri mee nchọcha**

Ndị e jiri mee nchọcha a bụ ndị maara anya ọgwụ ọdịnala, mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ na mpaghara dị iche iche n'ala Igbo. Ala Igbo nwere steet ise, e wetara mmadụ anọ  na steet ọ bụla, iji nọchie anya mpaghara ọ bụla dị n'ala Igbo mee nchọcha a. Mmadụ anọ ndị a bụ otu nwoke, otu nwaanyị, otu nwa okorọbịa na otu nwata nwa agbọghọ ma anya ọgwụ ọdịnala, mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ nke ọma. Ụfọdụ n'ime ha ndị dibịa ọgwụ ji ya mere aka ọrụ ma ọ bụ, ndị nwetarala ọgwụgwọ site na ha. Ọnụ ọgụgụ ndịejiri mee nchọcha a bụ mmadụ iri abụọ, mmadụ iri bụ ndị okenye gbaalara afọ iri isii gbagowe; ma ndị nwoke ma ndị nwaanyị nakwa ndị ntorọbịa iri na-arụ ọrụ gbasara mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ebe ọ dị ukwuu.

**Mkpụrụ echiche mebere mgbọrọgwụ na mkpakwụkwọ dị n'ala Igbo**

Nke a na-egosi na mkpụrụ okwu na-enwe echiche zuru oke, mgbe e nwere amụmamụ echiche nọ n'etiti mkpụrụ okwu ndị ahụ na ọrụ ha na-arụ, ma ọ bụ ihe ndị ha na-arụtụ aka, bụ ọrụ ha na-arụ n'obodo. Iji maa atụ, akwụkwọ nri a bụ nchụanwụ nwere ọrụ pụrụ iche ọ na-arụ n'obodo, bụ ebe ndị obodo siri nye ya aha ọ na-aza, nke bụ na ìsì ya na-achụ anwụ nta. Nke ọzọ bụ akwụkwọ osisi dongoyaro, nke ndị Igbo na-akpọ 'akọm shọrọpụ', ya bụ akwụkwọ osisi e ji emechi akọm ọnụ, nke bụ akwụkwọ e ji agwọ ọrịa akọm. Ọchọcha chọpụtara na ọtụtụ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ na-enweta aha ha site n'ọdịdị ha, ọrụ ha na ihe ndị ọzọ.

Ọchọcha, site na njatụle o nwetara chọpụtara mmewere okwu ndị na ụfọdụ aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị iche iche n'ala Igbo. Nchọpụta ọchọcha gosiri na okwu ndị na aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị e nwere n'ala Igbo nwere mmewere ndị a:

- Otu mkpụrụ echiche ndị bụ otu mkpụrụ okwu
- Ndị bụ mkpụrụ echiche abụọ gaa n'ihu
- Ndị bụ mkpụrụ okwu abụọ na nkebi okwu
- Ndị bụ nkebi ahịrị na ahịrị okwu
- Ndị bụ okwu mbite na okwu nsinụda

**Otu mkpụrụ echiche na otu mkpụrụ okwu**

Tupu ewepụta ndị nwere otu mkpụrụ echiche na otu mkpụrụ okwu, ọ dị mkpa ịkọwa ihe bụ mkpụrụ echiche na mkpụrụ okwu. Mkpụrụ echiche bụ ụmụ irighiri okwu pekarịsịrị na mpe dị n'usoro ma nwee nghọta zuru oke n'asụsụ. O nwere ike ịbụ isi ngwaa, nganihu, nsonazụ ma ọ bụ okwu zuru oke. E nwere mkpụrụ echiche nnọrọ onwe na mkpụrụ echiche ndabe. Mkpụrụ okwu n'aka nke ọzọ bụ okwu zuru oke kwụrụ onwe ya ma nwee nghọta zuru oke.

Ọchọcha chọpụtara na e nwere okwu ndị na mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ, ndị e ji eme nchọcha, ndị mmewere ha bụ otu mkpụrụ echiche ma ọ bụ otu mkpụrụ okwu. Ọtụtụ n'ime ha bụ ndị bụ okwu ọkpụ Igbo ma ọ bụ okwu dị adị n'asụsụ Igbo. Ha abụghị okwu mbite ma ọ bụ okwu mmebe. Mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a gụnyere: Ògirishi, Abọ̀sị̀, Akpàratà, Ụ̀vụ̀rụ̀, Apụ, Òkwè, Ụ̀tàzị̀, Ụdà, Ujiri, Ụgụ, Ụzịza, Ụkpà, Àkịdị̀, Ọkwụrụ, Aǹàrà, Èbèlè, Ehùrù na Anyụ. Ụfọdụ n'ime ha nwetara aha ha site n'etu ha dị n'anya ma ọ bụ etu ha si atọ ma ọ bụ elu ilu, ma ọ bụkwa ọrụ ha na-arụ.

**Mkpụrụ echiche abụọ gaa n'ihu**

Nchọpụta ọchọcha ebe a na-egosi na e nwere okwu ndị na aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị mmewere ha bụ mkpụrụ echiche abụọ ma ọ bụ karịa. Aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a bụ ndị e mebere site n'itinye mgbakwụnye n'isi ngwaa. A na-agbakwụnye nganihu, nsonazụ ma ọ bụ nnọnetiti n'isi ngwaa, iji mebe aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a. Ọmụmaatụ aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a gụnyere:

**Ndị nwere mkpụrụ echiche abụọ**

**E + gbu = Egbu** – (mkpụrụ echiche abụọ); Mkpụrụ echiche nnọrọ onwe ebe a bụ **'gbu'** nke nabatara mkpụrụ echiche ndabe bụ nganihu **'e'**. 'Gbu' na-egosi etu e si egbu ahụ osisi a gbum gbum gbum were ya na-eme ọgwụ e ji agwọ ọrịa mana ọ naghị egbu ya bụ osisi ebe 'e' na-egosi na ọ bụ aha sitere na ngwaa.

**N + che = Nche** – (mọfim̀ abụọ); **'Che'** bụ mkpụrụ echiche nnọrọ onwe nke gosịrị ọrụ ọ na-arụ bụ
ichekwa mmanya. Ọ nabatara nganihu bụ **'N'** nke gosịrị na okwu a bụ aha.

**Ndị nwere mkpụrụ echiche atọ**

**M + gba + mmiri** = Mgba mmiri – ( mkpụrụ echiche atọ); **'Gba'** bụ mkpụrụ echiche isi ngwaa nabatara nganihu
**'M'** nke mere ka ọ bụrụ aha nsi na ngwaa. **'Mmiri'** bụ mkpụrụ echiche nnọrọ onwe. Mgbọrọgwụ na
mkpa akwụkwọ a nwetara aha ya site n'etu o si agbapụta mmiri n'ahụ ya nke ukwuu.

**M + gba + ọtọ** = Mgba ọtọ -- ( mkpụrụ echiche atọ); **'Gba'** bụ mkpụrụ echiche isi ngwaa nabatara nganihu **'M'**
nke mere ka ọ bụrụ aha nsi na ngwaa. **'Ọtọ** bụ mkpụrụ echiche nnọrọ onwe. Nke a nwetara aha ya site
n'etu ọ dị n'anya. Ahụ ya anaghị enwe akpụkpọ ahụ, ọ na-adị ka ọ gba ọtọ.

**M + pa + ọkụ** = Mpa ọkụ -- ( mkpụrụ echiche atọ); Mkpụrụ echiche nnọrọ onwe ebe a bụ **'Ọkụ'** ya bụ otu n'ime
ihe ndị e ji mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ a agwọ. **'Pa'** bụ isi ngwaa nabatara nganiihu **'M'**
nke gosiri na ọ bụ aha nsi na ngwaa.

**N + chụ + Agwọ** = Nchụ agwọ -- ( mkpụrụ echiche atọ); **'Nchụ'** bụ aha nsi na ngwaa nke isi ngwaa ya
bụ **'Chụ'** nabatara nganihu **'N'**. **'Agwọ'** bụ mkpụrụ echiche nnọrọ onwe bụ ihe ọ na-achụ.
**N + chụ + anwụ** = Nchụ anwụ - (mkpụrụ echiche atọ); **'Nchụ'** bụ aha nsi na ngwaa nke isi ngwaa ya
bụ **'Chụ'** nabatara nganihu **'N'**. **'Anwụ'** bụ mkpụrụ echiche nnọrọ onwe bụ ihe ọ na-achụ.
**O + gbu + ala** = Ogbu ala – (mkpụrụ echiche atọ); Mkpụrụ echiche nnwere onwe ebe a bụ **'Gbu'** nke bụ isi
ngwaa nabatara nganihu **'O'** nke mere ọ bụrụ aha sitere na ngwaa. **'Ala'** bụ mkpụrụ echiche nnọrọ
onwe. Nke a nwetara aha ya site na etu o si egbu ala. Ya bụ ọ na-anọchi ala niile ebe o puru ọ naghị ekwe ka ihe ọzọ puo ebe ahụ.
**O + nu + gbu =** Onugbu – (mkpụrụ echiche atọ); Mkpụrụ echiche ndabe ebe a bụ **'Nu'**nke bụ isi ngwaa sitere n'inu. Ọ nabatara nganihu **'O'**nke na-egosi omee. Ebe **'Gbu'** na-egosi ogo inu ahụ ruru.
**Ọ + ga + ru = Ọgaru** – (mkpụrụ echiche atọ); Ọgaru n'otu aka ahụkwa nwere mkpụrụ echiche atọ nke gụnyere
isi ngwaa bụ **'Ga'** nke nabatara nganihu **'Ọ'** na nsonazụ **'Ru'**. Mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ a nwetara aha ya site na-etu o si agaru n'ime ahụ ebe ọrịa ọ na-agwọ si apụta ma e tee ya n'elu ahụ wee gwọọ ndị nọ n'ime ahụ.
**Ọ + tụ + rụ = Ọtụrụ** -- ( mkpụrụ echiche atọ); **'Tụ'** bụ mkpụrụ echiche isi ngwaa nke nabatara nganihu **'Ọ'** na
nsonazụ **'Rụ'**. Ọgwụ a nwetara aha ya site n'ihe ọ na-arụ bụ ịtụrụ ma ọ bụ imebi ihe ọ bụla bụ ihe ọjọọ na-emebị afọ.

**Ndị nwere mkpụrụ echiche anọ**

**M +gba + sị + ọkụ** = Mgbasị ọkụ - (mkpụrụ echiche anọ); Mkpụrụ echiche nnọrọonwe nọ ebe a bụ **'Ọkụ'.**
Mkpụrụ echiche isi ngwaa ebe a bụ 'Gba' nke nabatara nganihu 'M' nke mere ya aha nsi na ngwaa nansonazụ 'Sị'nke gosịrị ihe ọ na-eme. Ya bụ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ a nwetara aha ya
site n'ihe ọ na-arụ bụ ịgbasị ọkụ ebe oyi dị.
**N + tụ + rụ + kpa** = Ntụrụkpa – ( mkpụrụ echiche anọ); Mkpụrụ echiche isi ngwaa dị ebe a bụ **'Tụ'** nke a sitere
n'etu e si a tụrụ akwụkwọ nri a bụ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ. Ọ nabatara nganihu **'N'** dị ka aha nsi na ngwaa ma nabatakwa nsonazụ **'Rụ'** nke na-egosi oge ndị nazụ. Nsonazụ**'Kpa'** na-egosi ihe a na-eme ya ma a tụrụ ya; ya bụ ịkpasị ya.
**Ọ + tọ + kwu + ru** = Ọtọkwuru – (mkpụrụ echiche anọ); Mkpụrụ echiche isi ngwaa dị ebe a bụ **'Tọ'** nke sitere
n'aha 'ụtọ'. Ọ nabatara nganihu **'Ọ'** nke gosiri na ọ bụ aha nsi na ngwaa. Ọ nabatakwara nsonazụ **'Kwu'** nke gosiri nsokwunye na **'Ru'**nke gosiri ndị nazụ. Mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ a nwetara aha ya site n'etu o si arụ ọrụ. Ọ na-eji ụtọ atọ kwuru ọrịa ụkwara dị n'akpịrịọ na-agwọ.

**Mkpụrụ okwu abụọ ma ọ bụ karịa na nkebi okwu**

Ọchọcha chọpụtakwara na e nwere mmewere okwu ndị na aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị bụ nkebi okwu ma ọ bụ mkpụrụ okwu abụọ. Ndị a bụ okwu mmebe ndị sitere

n'aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị na-egosi etu ha dị ma ọ bụ ọrụ ha na-arụ. Ọmụmaatụ, mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị mmewere ha sitere na mkpụrụ okwu abụọ gunyere: **Achara + Awolowo =Achara Awolowo** nwetara aha ya site n'etu ọ dị nke bụ na o siri ike ma too ogo dị ka Onye Ọchịchị Naịjiriạ bụ Chief Ọbafemi Awolowo. **Agbara + Nkịta = Agbara nkịta** sitere n'ihe ọ na-eme bụ ịgbakasị nkịta ahụ ma o metụ ya n'ahụ. **Ahịhịa + Nshịkọ = Ahịhịa nshịkọ** sitere n'etu ọ dị n'anya dị ka nshịkọ. **Ahịhịa + Ọgwụ = Ahịhịa ọgwụ** sitere n'ihe ọ na-arụ bụ iji ya agwọ ọgwụ. **Aka + Atọ = Aka atọ** sitere n'etu ọ dị ka aka gbara atọ. **Aka + Mgbada = Aka mgbada** sitere n'etu ọ dị n'anya dị ka aka mgbada. **Aka + Nta = Aka nta** sitekwara n'etu ọ dị ka aka dị ntakịrị. **Akị + Ilu = Akị ilu** sitere n'etu ọ dị ka akị nakwa etu o si elu ilu. **Akịdị + Agbara = Akịdị agbara** sitere n'etu ọ dị nke bụ akịdị nke ọhịa bụ nke mmụọ mmadụ na-anaghị eri eri. O yiri nke mmadụ a na-eri eri. **Anyụ + Mmiri = Anyụ mmiri** sitere etu ọ dị ka anụ na-agba mmiri. **Ata + Nkịta = Ata nkịta** sitere n'etu ọ dị n'anya. **Atụ + Ogiri = Atụ ogiri** sitere n'osisi e ji eme atụ na-agwọ ọrịa eze ma ọ na-esi isi ka ogiri. **Ebube + Agụ = Ebube agụ** sitere n'etu ọ dị n'anya dị ka ahụ agụ. **Eze + Ọgụ = Eze ọgụ** sitere n'etu ọ dị n'anya dị ka eze ọgụ e ji arụ ọrụ. **Ezi + Ukwu = Ezi ukwu** sitere n'etu o si saa mbara ka ezi ukwu**. Ntị + Ele = Ntị ele** sitere n'etu ọ dị n'anya ka ntị ele. **Ntị + Oke = Ntị oke** sitekwara n'etu ọ dị ka ntị oke**. Ose + Ọji = Ose ọjị** sitere n'ihe ọ na-eme bụ ịfụ ụfụ ka ose nakwa ihe e ji ya eme bụ iji ya ata ọjị.; **Ube + Bekee = Ube bekee** sitere n'etu ọ dị ka ube ma ọ bụ nke ndị oyibo. **Oyiri + Mmụọ = Oyiri mmụọ** sitere n'etu ọ dị ka mmụọ. **Ọgwụ + Ịba = Ọgwụ ịba** sitere n'ihe ọ na-arụ nke bụ osisi mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ya na-agwọ ọrịa ịba. **Ọgwụ + Oyi = Ọgwụ oyi** sitere n'ihe ọ na-arụ bụ ịgwọ oyi. **Ọgwụ + Ụgwa = Ọgwụ ụgwa** sitekwara n'ihe ọ na-arụ bụ ịgwọ ụgwa/ngwọ. **Ụbụrụ + Inu = Ụbụrụ inu** sitere n'etu o si elu ilu. **Ụbụrụ + Ọcha = Ụbụrụ ọcha** sitere n'etu o si acha. **Ụda + Agụ = Ụda agụ** sitere n'etu ọ dị bụ ụda ma ọ bụ nke ọhịa**. Ụra + Agụ = Ụra agụ** nke bụ mkpụrụ a na-aracha aracha dị n'ọhịa na ndị ọzọ.

Ọmụmaatụ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị mmewere okwu ndị na ha sitere na ndị karịrị mkpụrụ okwu abụọ na nkebi okwu gụnyere: **Agadi Isi Awọ -**Nke nwetara aha ya site n'etu ọ dị. Ifuru ya na-acha ka awọ dị agadi n'isi; **Anya Nwa Nnụnụ -** Nke a na-amị mkpụrụ na-adị ka mkpụrụ anya nwa nnụnụ; **Ikpere Ụkwụ Enyi -** nke a bụkwa n'ihi na ọ dị ka ikpere ụkwụ anụ bụ enyi, **Nri Nwa Atụrụ -** nke a nwetara aha ya site n'ịbụ otu n'ime nri a na-enye atụrụ ka ọ taa; **Ọkọchị egbu -** nke a bụ n'ihi na ọ naghị anwụ anwụ ma n'oge ọkọchị
**Ube Nwa Enwe** – nke a bụ ube nwa nnụnụ na-aracha; na ndị ọzọ.

**Nkebi ahịrị na ahịrị okwu**

Ọchọcha chọpụtara na e nwere mmewere okwu ndị na aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ, ndị bụ nkebi ahịrị ma ọ bụ ahịrị okwu. Dị ka a kọwara na mbụ, ndị a bụ okwu mmebe ndị sitere n'aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị na-egosi etu ha dị ma ọ bụ ọrụ ha na-arụ. Ọ bụ nkebi ahịrị na ahịrị okwu ka e ji ezipụta etu mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị ahụ si dị na etu ha si arụ ọrụ. Ọmụma atụ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị mmewere ha sitere na nkebi ahịrị na ahịrị okwu gụnyere ndị a: **Abalị dị egwu** - nke a bụ etu ọ dị n'anya. Ọ na-atụ egwu n'abalị n'ihi na ọ na-egwuzo ka mmụọ n'abalị. **Agbọghọ mechie ụkwụ** - nke a nwetara aha ya site n'etu o si eme ma e metụ ya ahụ, ọ na-ejikpa onwe ya etu agbọghọ si emechi ụkwụ ya dị ka nwaanyị. **Enyi kwọ nwa** – nke a nwetara aha ya site n'etu ọ dị n'anya. **Ike agwụ nwa** na **Ike gwụ anụ** ndị a nwetara aha ha site n'ihe ha na-arụ bụ inye mmadụ ike**. Ite kwọ nwa n'azụ -** nke a bụkwa site etu ọ dị n'anya. **Nwa ohu akọ nshị** - nke a bụ n'ihi na mkpụrụ anaghị akọ ya mgbe niile. **Ogbu n'izu –** nke a bụ etu o si arụ ọrụ. Ọ na-egbu ọrịa ahụ n'otu izu. **Ọ daa o pue** – nke a na-epu ọnụ ebe ọbụla ọ dara n'ala. Etu a ka o siri nweta aha ya. **Ọ gbaka nti** – nke a bụ etu o si agbaka nti

ma a rachaa ya.**O To Ọkụ Ọkụ -** nke a bụ etu mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ a si eto ngwa ngwa. **Ọ kwọrọ o zoo** – nke a bụkwa etu ọ dị, ifuru ya na-ezo ezo dị ka nwaanyị kwọ nwa n'azụ ma zoo ya. **Ụdọ akpụ enyi** – nke a bụ etu akpụkpọ ahụ ya si esi ike nke ukwuu ka ụdọ e ji akpụ enyi., na ndị ọzọ.

**Okwu mbite na okwu nsinụda**

N'ikpeazụ, ọchọcha chọpụtakwara okwu ndị na aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ihe ndị mebere ha sitere n'okwu mbite na okwu nsinụda. Nke a na-egosikwa ụdị, ọdịdị na ọrụ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị nwe aha ndị a. Ọmụma atụ okwu ndị na aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị mmewere ha sitere n'okwu mbite gụnyere: **Achara Tii** sitere n'asụsụ Bekee bụ 'tea'. **Alo Vera** sitere n'asụsụ Bekee bụ 'aloe vera**. Akọm Shọrọpụ** - nke a sitere n'okwu Bekee bụ 'shut up' ya bụ mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ na-emechi akọm ma ọ bụ ịba ọnụ. Oge ụfọdụ, a na-akpọkwa ya **Dogo Yaro**bụkwa okwu mbite sitere n'asụsụ Awụsa.**Akwụkwọ Seleri** sitere n'asụsụ Bekee bụ 'celeri'. **Galiik** sitere n'okwu Bekee bụ 'garlic'. **Gova** sitere n'asụsụ Bekee bụ 'guava'. **Jinja** sitere n'okwu Bekee bụ 'ginger'. **Pọpọ** nke a sitere n'okwu Bekee bụ 'pawpaw'. **Shọwa Shọp** sitere n'asụsụ Bekee bụ 'soursop'. **Yabasị** na **Yabasị Awụsa s**itere n'okwu mbite si n'asụsụ Awụsa. **Zobo** sitere n'asụsụ Awụsa; na ndị ọzọ.

Ọmụma atụ okwu ndị na mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị mmewere ha sitere n'okwu ụda ụda ma ọ bụ uche ụda gụnyere: **Fịọ-fịọ** sitere etu ọ dị n'anya**; Ọtọ-bịrị-bịrị** sitere etu o si atọ; **Petepete** sitere etu o si adị n'ọnụ; **Ọshọshọ** na **Ụhịọkịrịhịọ** sitere etu o si ada ụda na ndị ọzọ. Ihe ọzọ bụ na ọkpụkpọ okwu ndị a metụtachara bịambịa ụda na nkwunwo ụda.

**Etu ndokọ na aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ si emetụta mpụtara na ọrụ ha**

Ọchọcha dị ka o si kọwaan'ọrụ nchọcha a na ndokọ na mmewere aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ na-enye aka n'ịmata mpụtara aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a nakwa uru ha bara ma ọ bụ ọrụ ha na-arụ n'ụzọ dị iche iche.Iji maa atụ, ụfọdụ aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọsitere n'etu ha dị n'anya, ihe ha na-arụ, etu ha si atọ tinyere etu ha si eme omume.

**Ndị sitere n'etu ha dị n'anya**

Ọchọcha chọpụtara na e nwere mmewere aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị ndokọ ha na-egosi etu ha dị n'anya ma ọ bụ ihe ha yiri n'anya. Ndị a gụnyere: **abalị dị egwu** – n'ihi na ahịhịa a na-eyi mmadụ egwu n'abalị dị ka etu o si eguzo ka mmụọ; **agadi isi awọ** - n'ihi na ifuru achara a na-acha ka isi awọ agadi; **anya nwa nnụnụ** - n'ihi etu mkpụrụ achara a na-adị ka anya nnụnụ; **ụbụrụ ọcha** - n'ihi na ọ na-acha ọcha; Ọtụtụ ndị ọzọ gụnyere: **ahịhịa nshịkọ, aka atọ, aka mgbada, aka nta**, **akpụkpọ ọzọ**, **amụ nkịta**, **ebube agụ**, **enyi kwọ nwa**, **eze ọgụ**, **ikpere ụkwụ enyi**, **mgba ọtọ**, **mkpịsị nkụ**, **ntị ele**, **ntị oke**, **ogwu agha** ma ọ bụ **ogwu anamịrị**, **otubo ala**, **oyiri mmụọ**, **ọkpa atụ**, **uhie**,wdg. Mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a yiri ihe a kpọrọ ha n'anya.

**Ndị sitere n'ọrụ ha na-arụ**

E nwere mmewere aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ na-egosi ihe ọ na-arụ ma ọ bụ ọrịa e ji ya agwọ. Ndị a gụnyere**akọm shọrọp** ma ọ bụ **Ọgwụ ịba**nke bụ ọgwụ e ji agwọ ịba ma na-emechi akọm ọnụ**. Nchụ agwọ** - n'ihi na isi ya na-achụ agwọ. Etu a ka ọ dị **nchụ anwụ -** isi ya na-achụ anwụ nta. **Nche** – n'ihi na a na-eji ya echekwa mmanya. Etu a ka ọ dị **ọgwụ ụgwa/ngwọ**- a na-eji ya agwọ ụgwa/ngwọ.**Ọgwụ oyi**- A na-eji ya achụ oyi. **Ọgwụ ọbara**– a na-enye ya onye ọbara kọrọ n'ahụ na-achọ ọbara. E nwere ndị nke na-agwọ ọrịa dị iche iche nke mere e ji akpọ ha **ahịhịa ọgwụ**, **dọkịta Igbo** na **eze ọgwụ**.

**Ndị sitere n'etu ha si atọ**

Ọchọcha chọpụtakwara na e nwekwara aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ, ndị mmewere ha sitere na-etu ha si atọ ụtọ ma ọ bụ elu ilu. Ọmụma atụ ndị dị etu a gụnyere: **akị ilu** na-ada ka akị n'ọnụ ma na-elu ilu**; atụ ogiri** na-atọ ka ogiri e ji esi ofe; **eze ilu** na-elu ilu nke ukwuu**; onugbu** na-elu ilu; **ose ọjị** na-afụ ụfụ ka ose; **ọ gbaka nti ma ọ bụ shọwa shọp** na-agbaka nti; **ọtọ-bịrị bịrị** na-atọ ụtọ ka shuga; **ụbụrụ inu** na-elu ilu.

**Ndị sitere n'etu ha si eme omume**

E nwerekwara mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị ọchọcha chọpụtakwara na mmewere aha ha sitere n'etu ha si eme omume. Ndị dị etu a gụnyere: **Agbọghọ-mechie-ụkwụ** n'ihi na ọ na-akwachi ozugbo e metụrụ ya aka ma ọ bụ ihe dara ya nso. **Nwa-ohu-akọ-nshị** ya bụ na mkpụrụ anaghị akọ ya oge ọ bụla. **O-gbu-n'izu** n'ihi na ọrịa ọ na-agwọ na-ala n'otu izu. **Ò-so-è-je,** isi ya na-eso eje ebe ọ bụla. **Ọ-daa-o-pue** ya bụ ebe ọ bụla ọ dara n'ala ọ nọrọ ebe ahụ puo ome. **Ọkọchị-egbu** n'ihi na ọ naghị anwụ n'ọkọchị. **Ụdọ-akpụ-enyi** n'ihi na o siri ike nke ukwuu.

**Nchịkọta**

Mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ n'uche ọchọcha dị ka ọ kọwara bụ ọgwụ ndị ahụ a na-esi n'akụkụ ahụ osisi dị iche iche dị ka mgbọrọgwụ osisi, ahụ osisi, akwụkwọ ya na ndị ọzọ emepụta. Ya bụ osisi na ahịhịa niile dị n'ọhịa nke nwere agwara e ji agwọ ọrịa n'ime ya. Mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ n'ọrụ nchọcha a gụnyere: achara, ahịhịa, mgbọrọgwụ, mkpa akwụkwọ, ahụ osisi, ifuru osisi, mkpụrụ osisi na akụkụ ahụ osisi niile ndị Igbo ji emepụta ọgwụ na ihe e ji agwọ ọrịa n'ụzọ dị iche iche.

Ọrụ nchọcha a jiri atụtụ mmebe okwu lebaa anya n'okwu ndị na mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị dị n'ala Igbo ma chọpụta mmewere aha ha. A chọpụtara na ụfọdụ aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị e nwere sitere n'okwu ọkpụ Igbo, ndị nwere naanị otu mkpụrụ echiche ma ọ bụ otu mkpụrụ okwu. Ọmụma atụ ndị a gụnyere: Apụ, Okwe, Ụtazị, Ụda, Ujiri, Ụgụ, Ụziza, Onugbu, Ụkpa, Akịdị, Ọkwụrụ, Aṅara, Ebele, Ehuru na Anyụ. Ọtụtụ ndị ọzọ bụ ndị aha ha sitere n'okwu mmebe nke gụnyere ndị bụ mkpụrụ echiche abụọ ma ọ bụ karịa. Ọmụma atụ gụnyere: E-gbu, N-che, O-gbu-ala, N-chụ- anwụ wdg. Mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị aha ha sitere na nkebi okwu dị ka : Aka-atọ, Aka-mgbada, Anụ-mmiri, Atụ-ogiri, Ebube-agụ, Eze-ọgwụ, Ntị-ele, Ikpere-ụkwụ-enyi, na ndị ọzọ. E nwere mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị aha ha sitere na nkebi ahịrị na ahịrị okwu. Ọmụma atụ gụnyere: Abalị-dị-egwu, Agbọghọ-mechie-ụkwụ, Ike-agwụ-nwa, Ite-kwọ-nwa-n'azụ, Ọ-daa-o-puo, Ọ-gbaka-nti, Ụdọ-akpụ-enyi, na ndị ọzọ. N'ikpe azụ, ọchọcha chọpụtara na e nwere mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị aha ha sitere n'okwu mbite dị ka: Alọ-vera, Akọm-shọrọpụ, Galiki, Gova, Jinja, tinyere ndị aha ha sitere n'ụda dị ka: Fịọ-fịọ, Pete-pete, Ọshọshọ na Ụhịọkịrịhịọ.

N'ikpe azụ ọrụ nchọcha a lebakwara anya n'etu ndokọna mmewereaha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ si emetụta mpụtara ha na ọrụ ha. Ọchọcha chọpụtara ụzọ dị iche iche e si eme nke a. Ha gụnyere: (i). Ndị sitere etu ha dị n'anya dị ka: Agadi-isi-awọ, Anya-nwa-nnụnụ, Ahịhịa-nshịkọ, Aka-atọ, Aka-mgbada, Enyi-kwọ-nwa, Ikpere-ụkwụ-enyi, Ntị-ele, Ntị-oke, Ogwu-anamịrị, Otubo-ala, Ọkpa-atụ na ndị ọzọ. (ii). Ndị sitere n'ọrụ ha na-arụ dị ka: Akọm-shọrọpụ ma ọ bụ Ọgwụ-ịba, Nchụ-agwọ na Nchụ-anwụ, Ọgwụ-ụgwa, Ọgwụ-oyi, Ọgwụ-ọbara, Ahịhịa-ọgwụ, Eze-ọgwụ na ndị ọzọ. iii. Ndị sitere na etu ha si atọ dị ka: Akị-ilu, Atụ-ogiri, Eze-ilu, Onugbu, Ọ-gbaka-nti ma ọ bụ Shọwa-chọp, Ọtọ-bịrị-bịrị na Ụbụrụ-inu. iv. Ndị sitere na etu

ha si eme dị ka: Agbọghọ-mechie-ụkwụ, Nwa-ohu-akọ-nshị, O-gbu-n'izu, Ọ-daa-o-pue, Ọkọchị-egbu na Ụdọ-akpụ-enyi.

**Mmechi**

Nchọcha agbadoro ụkwụ mmewere aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị n'ala Igbo. Mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị oke mkpa n'ọnọdụ ahụ ike ndị mmadụ tụmadị n'oge ugbu a e nwere ọtụtụ ọrịa juru ebe niile ma ọgwụ oyibo ndị e ji agwọ ọrịa ugbu a anaghị arụcha ọrụ etu o kwesiri. Ụfọdụ ọgwụ oyibo ndị na-arụ ọrụ n'ahụ mmadụ anaghị ekwe nzụta n'ihi na ha dị oke ọnụ, ebe ụfọdụ ndị a na-ahụ anya taa abụrụla nke adịgboloja. Mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a bụ ihe ndị anyị nwere gburu gburu n'ala anyị bụ ala Igbo ma bụrụkwa ihe ndị e ji emepụta ọtụtụ ọgwụ oyibo anyị na-aṅụ.

Dị ka anyị si hụta na nchọpụta e mere, mmewere aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a sitere n'ọrụ ha na-arụ, uru ha bara, ma ọ bụ ihe ha yiri, ya bụ etu ha dị n'anya. Ọ bụrụ ma a mata ihe ndị mebere aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a nke ọma, mmadụ ga-esite n'aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a na-aza, mata ihe ha na-arụ ma ọ bụ ọrịa ndị e ji ha agwọ. Itinye uche n'ọrụ nchọcha a bụ ntụcha mmewere aha mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị n'ala Igbo ga-enyere anyị aka ịmata mpụtara aha ha na ọrụ ha na-arụ.

**Aro**

Mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ bụ onyinye pụrụ iche Chukwu okike nyere anyị juputara ebe niile n'ala Igbo. Ọ bụ mbunuche nchọcha a ka ndị sayensị nye aka kwalite mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ dị n'Igbo ma lebakwa anya n'ihe ndị mebere ha niile site n'ịtụcha ndị na aha ha na ọrụ ha na-arụ. Ọchọcha na-atụnye aro ka ọha obodo lebaa anya n'ihe gbasara ya nke ọma ma were ya kpọrọ ihe tụmadị ihe e ji azọ ndụ. Ebe a chọpụtarala na e nwere ọtụtụ ọrịa jupụtara n'ụwa taa nke sitere n'ihe anyị na-eri n'ọnụ, ọ ga-adị mkpa ibelata aka na nri nọ na mkpọ. Nri ndị ọcha na ngwa ndị e ji esi nri na-eme ka nri tọọ ụtọ bụ ndị e ji kemikal anyị na-amaghị eme. Ọ ka mma ịgbado anya na ngwa ọdịnala e ji esi nri na-eme ka nri tọọ ụtọ na ihe oriri jupụtara n'ala anyị nke anyị chọpụtara na ha abụghị naanị nri na-edozi ahụ, ka ma ha bụkwa mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị e ji eme ọgwụ e ji agwọ ọrịa dị iche iche. Ọ bụrụ na mmadụ rie nri dị mma e jiri ihe ndị a sie, onye ahụ ga-adị ndụ ogologo n'ihi na ọrịa na-amaghị aha ya agaghị abịa onye ahụ. Ya bụ na mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị a abụghị naanị ọgwụ na-agwọ ọria, ọ na-egbochikwa ọrịa ịbịa mmadụ.

Ebe ọ bụ na ọtụtụ ọgwụ Bekee anaghị arụ ọrụ nke ọma ma ndị na-arụ ọrụ dị oke ọnụ, ọchọcha na-atụ aro ka ndị gọọmenti wepụta ego kwadoo ndị na-eme nchọcha n'ihe gbasara mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ, ọgwụ na ihe niile gbasara ahụ ike iji nyere ha aka na nchọcha ha na-eme. Nke a ga-enye aka ịrụpụta ọgwụ ndị ga-arụ ọrụ nke ọma ma belata oke ọrịa tụmadị ọrịa ndị ahụ ọgwụ Bekee na-enyeghị ike ịgwọta ma hazie ọnọdụ ahụ ike n'ala anyị. Ọ ga-enyekwa aka n'ibelata ọgwụ adịgboloja a na-enwe ebe niile n'ala anyị ma belatakwa oke mmefu ego a na-emefu n'ọgwụ e ji agwọ ọrịa dị iche iche.

Aro ọzọ a na-atụnye bụ ka ndị mmadụ niile, ndị gọọmenti, ndị ụka tinyere ụlọ akwụkwọ n'ogo dị iche iche site n'ihe mmụta ha mụtara n'ọrụ nchọcha a na-enye aka na mgbasa ozi banyere uru dị na mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ na ọrụ ha na-arụ bụ ịgwọ ọrịa dị iche iche. Mgbasa ozi ndị a ga-enyekwu aka ime ka ndị mmadụ mara ma ka mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ma nwee mmasị n'ihe niile gbasara ha. Onye ọ bụla tinye aka site n'iji mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị anyị nwere n'ala Igbo agwọ ọrịa malite n'ezi na ụlọ ruo n'obodo.

Ọchọcha na-atụnyekwa aro ka ndị na-eme nchọcha n'ọdịnihu tụmadị ndị na-eme nchọcha n'ihe gbasara amụmamụ echiche, amụmamụ mọfọlọji, ọgwụ, amụmamụ osisi, nri na ndị ọrụ ahụ

ike gbakwasị ụkwụ na nchọcha a ma mee nchọcha nke ha n'isi okwu ndị ọzọ ga-abara anyị uru. Nke a ga-enye aka ka mmụta na-etowanye ma na-enyekwa aka n'ọnọdụ ahụ ike ndị mmadụ.

**Nrụmaka**


Aiyeloja, A. A.& Bello, O. A. (2006). Ethnobotanical potentials of common herbs in Nigeria: A case study of Enugu state. *Educational Research and Review*, 1(1), 16-22.

Check, J. & Schutt, R. K. (2012). *Research methods in education.* Thousand oaks: Sage Publication.

Ekeọpara, C.A.& Ugọha, A.M.I (2017). The contributions of African traditional medicine to Nigeria's health care delivery system. *IOSR Journal of Humanities and Social Science (IOSR-JHSS)*, 32-42.

Ezekwesili-Ofili, J. O.& Ọkaka, A. N. C. (2018). Herbal medicines in African traditional medicine (Akwụkwọ edemede).

Falodun, A. & Imieje, V. (2013). Herbal medicine in Nigeria: Holistic overview. *Nigeria Journal of Science and Environment* (1),129-138

Mahomoodally, M. F. (2013). Traditional medicines in Africa: An appraisal of ten potent African medicinal plants. Evidence-Based complementary and alternative medicine, Vọl. 2013. Site nahttp://dx.doi.org/10.1155.2013/617459. Ụbọchị mbutu: 3Mee, 2021.

Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ*. Enugu: University of Nigeria Press. Ltd

Merriam-Webster (ọhz.). (1999). *Webster's new explorer dictionary and thesaurus*. Massachusetts: Federal Street Press.

Mohanan, K. P.&Kiparsky, P. (1982). *Lexical morphology and phonology*. The Linguistic Society of Korea (Ọhz.) Linguistics in the Morning Calm: Seoul: Hanshin publishing co.

Njoku, P.A. (1982). Agriculture made easy: Certificate revision exercises in Agricultural science for schools and colleges: Questions and answers. Onitsha: Africana Educational Publishers (Nig.) Ltd.

Nworgu, B. G. (2015). *Educational research: Basic issues and methodology* (3rd ed.). Enugu: University trust publishers.

Okeagụ, G. O. & Agụ, S. C. (2020). Uses of Indigenous Plants in Nsukka Cultural Area of Enugu State in *Ikoro Journal of Contemporary African Studies*, 14(1),367-382.

Uduji, J.I., Edicha, M.I.& Oyaka, J.O. (2012). Agricultural produce branding for consumers in Nigeria. Na P.O Ebigbo (Ọhz). *Sustainable human development review*,(pp.5-20) Vọl. 4(1 & 2).